# MMETỤTA MMEBI NKWURỊTA OKWU OTU ONYE NA-ASỤ NSỤ N'EBE MMEKỌRỊTA YA NA MMADỤ NDỊ ỌZỌ NỌ

**Ahamefula Ndubuisi Ogbonna; Onuh Esther Chidimma**
Ngalaba Amụmamụ Sayensị Asụsụ, Igbo na Asụsụ Naijirịa Ndị Ọzọ
Mahadum Naijirịa, Nsụka

## Ụmị Edemede

Nchọcha a lebara anya na mmetụta mmebi nkwurịta okwu otu onye nwere orịa ịsụ nsụ n'ebe mmekọrịta ha na ndị ọzọ nọ. Nkwụrịte okwu bụ mbido maọbụ ihe mgbakwasị ụkwụ n'ibe mmadụ na ibe ya nọ. Mbụnuche nchọcha a bụ ichọpụta etu ịsụ nsụ si emetụta mkparịtaụka dị n'etiti onye na-asụ nsụ na ndị anaghị asụ nsụ. Nchọcha a lebakwara anya na mmetụta ịsụ nsụ n'ebe ihe omụmụ dị tinyere mmetụta ịsụ nsụ n'ebe onye na-asụ nsụ nọ. E jiri nsoro nlere anya na ajụjụ ọnụ were nweta njiatụle e jiri mee nchọcha a. E jiri usoro nkọwa were hazie njiatụle nchọcha a. Ebe a nọrọ mee nchọcha a bụ n'ụlọ akwụkwọ Sekọndịrị nke dị n'Okpo, Elugwu-Ezike ebe e nwetara otu nwata akwụkwọ na-asụ nsụ . Nchọpụta nchọcha a gosịrị na okwụ onye na-asụ nsụ na-ekwu anaghị edo ndị mmadụ anya nke na ọ na-emetụta ihe omụmụ ụmụaka a. Nchọpụta nchọcha a gosikwara na ịsụ nsụ na-eme ka onye na-asụ nsụ na-anọrọ onwe ya otụtụ oge ma na-enwe obị ịda mba oge ụfọdụ. Onye ọrịa ịsụ nsụ na-ekwughari okwu ugboro ugboro. Ọ na-enwe ihe mgbochi n'ọwa akpọmụụda mgbe ọ na-ekwụ okwụ. Ọ na-ewe ya ogologo oge tupu o kwupụta ihe ọ chọrọ ikwu

Ọkpụrụkpụ okwu ụfọdụ: Ịsụ nsụ, nkwurịta okwu, nkwughari okwu, na mkpọbi okwu.

## 1. Mkpọlite

Nkwurịta okwu bụ ihe mgbakwasịụkwụ na mmekọrịta mmadụ n'ibe ya nọ. Okwu onye na-asụ nsụ anaghị aga were were n'ọnụ. Onye na-enwe nsogbu ịsụ nsụ anaghị ekwucha ihe ọ chọrọ ikwu nke ọma. Ịsụ nsụ na-emetụta ikwu okwu nke ọma ma na-emetụtakwa mmụta onye ahụ**.** Ịsụ nsụ bụ nsogbụ a na-enwe n'ikwu okwu. Ndị mmadụ na-asụ nsụ na-enwe nsogbu na mkpọpụta mkpụrụ ụdaasụsụ maọbụ nhịaahụ n'isi otu ụda gaa n'ụda nke ọzọ. Jones (1976) kọwara ịsụ nsụ dịka mgbochi, ejikwaghị ikwu okwu gaa nke ọma n'ihi nke ọrịa. Ihe mgbochi a na-adị mgbe onye na-asụ nsụ na-akpọpụta ụda ọkwu bụ nke a na-akpọ ịsụ nsụ. Ịsụ nsụ na-adịkarị n'ebe nkwụgharị ụda nọ dịka ụdaụme na nkejịokwu yitere ụdaume, ịkpọpụta ụdaasụsụ ugboro ugboro na mgbochi na-adị n'ọwa ikuku.

Ikwu okwu were were bụ okwu na-enweghị ihe mgbochi ọbụla ebe ịsụ nsụ bụ nke a kọwara dịka okwu nwere mgbochi mgbe a na-akpọpụta ha nke na anaghị aga were were n'ọnụ mgbe a na-mkpọpụta ha. Ịsụ nsụ na-abụkarị n'ebe nkwụgharị mkpụrụasụsụ, ịkpọ ụda gawa n'ihu dịka "Sssss... Samuel, "Fffff- Francis", "bbbb... redị". Oge ụfọdụ ndị, mmadụ na-enweghị ọrịa ịsụ nsụ na-asụ

nsụ n'udị nke ha dịka "um" maọbụ "uh". Mmadụ nwere ike iwebata ụdịrị okwu ndị a "um", "uh", mgbe ọ na-ekwu okwu iji nye onwe ya ohere icheta ihe ọ chọrọ ikwu. Nke a egosịghị na o nwere ọrịa ịsụ nsụ. Ọtụtụ ndị mmadụ na-asụ nsụ na-emeghachị omume na-adịghị mma n'ebe ịsụ nsụ ha dị. Ha na-enwe ịda mba n'obi maọbụ na anọọrọ onwe ha. Ọtụtụ ihe nwere ike ibute ịsụ nsụ na ndụ mmadụ dịka ebumpụta ụwa, gburugburu ebe obibi, nsogbu ntị, maọbụ obi ntụpọ na mkpụrụ ndụ ihe nketa.

**2.0 Ntuleghari agụmagụ**

N'ebe a, a na-eleba anya na ntụleghaṛị agụmagụ sịte n'ịgbado ụkwụ n'ihe ndị a: atụtụ nchọcha na nchọcha a hụrụ anya

**2.1 Atụtụ nchọcha**

Nchọcha a gbadọrọ ụkwụ n'atụtụ ExpLAN nke Howel na Au-yeung tụptara n'afọ (2002). Ihe bụ ịsị sekpuntị n'atụtụ EXPLAN bụ njikweta okwụ n'aga were were n'ọnụ dịka ụzọ e si amata onye na-asụ nsụ ma na-azọkwa ya. Atụtụ EXPLAN kwenyere na ihe na-ebute ịsụ nsụ bụ nkwado ikwu okwu nke na-adị nwayọ karịa mgbe a na-ekwupụta okwu ahụ maọbụ akpọpụta okwụ ahụ . Nke a na-egosi ma okwu nwere ike enwechaghị okwu ndị ọ chọrọ ikwu. PLAN nọọrọ onwe ya n'ebe EX nọ mana ha na-agakọ ọnụ n'otụ oge. Ya bụ  na, mgbe a na-ekwupụta okwu echiche banyere okwu ọzọ ga-esọte ya bụ nke a na-ewepụta n'otu oge ( Howell na Au-  yeung 2002). N'ihi nke a, okwu na arụ ọrụ n'ahịrịokwụ bụ nke a na-akpọpụtakarị karịa okwu dịka okwu mbuụzọ, nnọchiaha, okwu njụ ajụjụ na okwu na-egosi etu ihe dị. A na-akpọpụtakarị okwu ndị a ọsọ osọ karịa okwu dịka aha, nkọwaaha, ngwaa na nkwụwa.

Enweghị atụmatụ okwụ zuru oke bụ nke na-akpalite ụzọ ihe abụọ n'ebe onye na-asụ nsụ nọ: na-akụda na na-aga n'ihụ. Na-akụda bụ mgbe mkpalite okwu ọ dị na ya anaghị ezucha oke mgbe a chọrọ ikpọpụta ha. Nke a na-ebute nkwugharị okwu na-arụ orụ ugboro ugboro. dika "K... k... Kate". Ọ na- ewe ogologo oge n'ikpọpụta okwu dịka "Nnnne" (mother). E jirila atụtụ EXPLAN nyochaa ihe na-ebute oke ọrịa ịsụ nsụ site n'ịleta anya n'ihe kpatara na okwu anaghị aga were were n'ọnụ n'ebe mkpọpụta okwu na-arụ ọrụ n'asụsụ dịka ọ dị n'ebe okwu ọ dị na ya nọ. Atụtụ a dabara na nchọcha a n'ihi na ọ na-akwọwa ụdịrị okwu ndị na-enye ndị na-asụ nsụ mmekpaahụ mgbe ha chọrọ ịkpọpụta ụdịrị okwu ndị ahụ.

**2.2 Nchọcha Ndị A Hụrụ Anya/ Ntuleghari Isiokwu**

E meela ọtụtụ nchọcha banyere mmebi asụsụ, ọrịa ntọntọ na ịsụ nsụ dị iche iche. N'ebe a, a ga-eleba anya n'ụfọdụ nchọcha ndị mmadụ merela maka ọrịa ntọntọ. Ọzọkwa, ọtụtụ ndị mmadụ e meela nchọcha n'ụzọ dị ịche iche banyere ọrịa ịsụ, nsụ ụfọdụ n'ime ha bụ ndị e gosipụara n'ebe a.

Mwangị (2022) mere nchọcha banyere ịsụ nsụ n'etịtị ụmụaka ndị Nairobi site n'igosịpụta ihe ngọsị ịsụ nsụ na usoro eji egbochi ịsụ nsụ n'etiti ụmụaka ndị na-asụ nsụ. Mbumnche nchọcha a bụ inyocha ụdị ịsụ nsụ ụmụaka ndị Nairobị nwegasịrị n'ụzọ a ga-esi gbochie ha. E jiri usoro ụdaasụsụ nyocha njiatule nchọcha a. E jiri rekọda were nweta ihe nchọcha a site n'aka ụmụaka ndị na-asụ nsụ n'obodo kenya dị na Nairobị. E jikwara usoro nlere anya nwetakwa njiatule nchọcha a ụzọ e jiri hazie njiatule nchọcha a bụ site n'itugharị ihe dị na tepu rekọda site n'asụsụ kenya gaa n'asụsụ bekee ma were usoro nkọwa were kọwaa nke ọma ụdị ịsụ nsụ ụmụaka nwere n'ụzọ a ga-esi gbochie iha Nchọpụta nchọcha a gosiri ne e nwere ụdị ịsụ nsụ dị ịche ịche nke na-adịkwa n'ụdị dị iche iche.Nchọcha a na nke anyị gbasoro usoro nnyocha nkọwa nyochaa njiatule e nwetara ma dị iche na ebe anọrọ mee nweta njiatule.

Osuji (2023) lebara anya na mmetụta iche echiche na-elekota mmadụ n'ebe ụmụaka nwere ọrịa ịsụ nsụ nọ. Mmetụta uche nwata ọbụla nwere ọrịa ịsụ nsụ dị ezigbo mkpa maka ihe omụmụ. Mbumnuche nchọcha a bụ inyocha etu ọrịa ịsụ nsụ si emetụta uche nwata ọbụla nwere ya na mmụta. Nchọpụta nchọcha a gosiri na ọrịa ịsụ nsụ na-eme ka nwata ọ bụla nwere ya na-ewe iwe ọsọ ọsọ ihe kpatara nke a bụ na o nweghi ike ikọwapụta onwe ya nke ọma. Ọ na-eme kwa ka onye nwere ọrịa ịsụ nsụ hapụ iso ndị ọgbọ ya mee ihe ha na-eme. Ọ na-eme ka onye nwere ọrịa na-anọrọ naanị ya oge ọ bụla. Nchọcha a na nke anyị na-ekwu maka ọrịa ịsụ nsụ. Ebe nchọcha a na-ele anya na mmetụta iche echiche na-elekota mmadụ n'ebe ụmụaka nwere ọrịa ịsụ nsụ nọ, nke anyị na-ekwu maka mmetụta mmebi nkwurịta okwu mmadụ abụọ nwere orịa ịsụ nsụ n'ebe mmekọrịta ha na ndị ọzọ nọ

Agbedo na Uchendu (2010) lebara anya na mmebi asụsụ ụmụaka abụọ. Nchọcha a lebara anya na mkpụrụ ụdaasụsụ ndị a nwere ọrịa ntọntọ. Nchọcha a hụtara na ndị nwere ọrịa ntọntọna-ewere okwu mpụtara ha na-eyiteghi ihe ha chọrọ ikwu were nọchie anya ihe ha izi n'ozi.Ha na-akpọpụtakwa okwu na-enweghi ihe ha pụtara n'asụsụ ha mana o nwere mpụatara n'ebe ha bụ ndị kpọpụtara ya nọ. Ndị nchọcha a chọtakwara na okwu ndị nwere ọrịa ntọntọ na-ekwu na-aga were were mana okwu ha na-eto ogologo nke na-eyite ahịrịokwu mana o nweghi mpụtara ọ bụla. Ọ na-agbasi mbọ ike ikwuputa ọtụtụ okwu. O bido ikwu okwu, ọ gaghị akwụsị garuo na akwụsịrị ya ikwu okwu. Nchọcha a na nke anyị na-ekwu maka mmebi asụsụ. Ebe nchọcha a na-ele anya na mmetụta iche echiche na-elekota mmadụ n'ebe ụmụaka nwere ọrịa ịsụ nsụ nọ, nke anyị na-ekwu maka mmetụta mmebi nkwurịta okwu mmadụ abụọ nwere orịa ịsụ nsụ n'ebe mmekọrịta ha na ndị ọzọ nọ

Uchendu (2010) mere nchọha banyere nsụnụbụrụ asụsụ mmebi mmadụ ole ma ole nwere ọrịa ntọntọ. Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'asụsụ mmebi ụmụaka abụọ.Okechukwu Ugwu na Chukwuemeka Eze bụ gbara afọ iri abụọ na anọ na iri abụọ na isii n'oto n'out. Nchọcha a gosipụtara n'asụsụ Okechukwu bụ nke jupụtara na iji okwu ọzọ nọchie anya okwu ọ chọrọ

ikwupụta, okwu na-enwghi nghọta zuru oke na okwu na-enweghi isi na ọdụ. N'aka nke ọzọ, okwu Chukwuemeka bụ nke gosipụtara njirimara ọrịa ntọntọ nke Brocas. Nke a gosiri na okwu Chukwuemeka dị nkenke, okwu ya anaghị aga were were n'ọnụọ na-enwe nhiahụ na mkpọpụta mkpụrụokwu. Nchọpụta nchọcha a gosiri na ọrịa ntọntọ na-emetụta ndị mmadụ n'ụzọ dị iche iche site n'ụdị ihe butere ọrịa a, akụkụ ụbụrụ nwere mmebi. Na mmechi, nchọcha a gosiri na ọrịa ntọntọ na-emetụta etu mmadụ si akpọpụta mkpụrụ okwu, ma na-emetụtakwa nghọta okwu e ji eme mkparịta ụka. Nchọcha a na nke anyị na-ekwu maka mmebi asụsụ na ọrụsị ndị mmadụ nwegasịrị. Ebe nchọcha a na-ele anya na nsụnụbụrụ asụsụ mmebi mmadụ ole ma ole nwere ọrịa ntọntọ, nke anyị na-ekwu maka mmetụta mmebi nkwurịta okwu otu onye nwere orịa ịsụ nsụ n'ebe mmekọrịta ya na ndị ọzọ nọ.

Ezeudo (2019) mere nchọcha banyere ọrịa ịsụ nsụ (stuttering). Mbunuche nchọcha a bụ inyocha asụsụ otu agadi nwoke nwere ọrịa ịsụ nsụ na Steeti Anambra. Nchọcha a nyochara nsụnụbụrụ okwu ọnụ nwoke a na-asụ nsụ n'ebe mkpọpụta mkpụrụ okwu, mmebe okwu, ụdaasụsụ na ụtọasụsụ nọ. E nwetara njiatụle nchọcha a site n'ụzọ nlere anya na ịajụjụ ọnụ site na nnyemeaka nne na nwanne nwaanyị nwoke a nwere ọrịa ịsụ nsụ a. Nchọpụta nchọcha a gosiri na nwoke a na-asụ nsụ n'ebe mkpọpụta mkpụrụ asụsụ ọ kachasị n'ebe fonim dị. Ọ na-akpọpụta fonim ugboro ugboro. Onye na-asụ nsụna-enwe mkpọhie okwu n'ebe okwu ọdịnaya na hịrịokwu nwere mgbagwojuanya dị. Nchọcha a na nke anyị na-agbado ụkwụ n'ọrịa ịsụ nsụ. Ebe nchọcha a na-enyocha asụsụ otu agadi nwoke nwere ọrịa ịsụ nsụ na Steeti Anambra, nke anyị na-ekwu maka mmetụta mmebi nkwurịta okwu mmadụ abụọ nwere orịa ịsụ nsụ n'ebe mmekọrịta ha na ndị ọzọ nọ.

Manouilidou (2021) gosiputara nchọpụta o nwetara n'aka otu nwoke dị afọ iri ise nwere ọrịa ntọntọ. Mbunuche nchọcha a bụ ịtụlerikọta mmetụta ọgwụgwọ a gwara ọgwa maka ọrịa ntọntọ na iji otu uzọ gwụọ ọrịa ntọntọ. Nchọpụta nchọcha a gosiri na ịkpọ aha ihe bụ nke onye ọrịa a gara n'ihu na-eme nke ọma mgbe ọ na-anata ọgwụ ọgwụgwọ ọrịa a. Ọ bụ ọgwụgwọ nke agwọkọtara ọgwụ agwakọta ka adị ire n'ọgwụgwọ ọrịa a. Nchọcha a na nke anyị na-arụtụaka na mmebi asụsụ. Ebe nchọcha a na-enyocha usoro ọgwụgwọ ọrịa ntọntọ, nke anyị na-ekwu maka mmetụta mmebi nkwurịta okwu mmadụ abụọ nwere orịa ịsụ nsụ n'ebe mmekọrịta ha na ndị ọzọ nọ.

## 3. Usoro nweta njiatụle nchọcha

Na nchọcha a, e jiri ajụjụ ọnụ were nweta njiatụle nchọcha a site n'aka otu onye nwere mmebi okwu ịsụ nsụ. E depụtaghị aha nwata a e jiri mee nchọcha a mgbe a na-agba ya ajụjụ ọnụ dị ka o siri chọọ. E jiri A nọchie aha onye nchọcha a ma jiri B nọchie anya aha onye na-asụ nsụ e jiri mee nchọcha a. Na nchọcha a, e jiri usoro nkọwa nyochaa data e nwetara maka ya. A jụkwara nne nwata na onye nkuzi nwata a na-asụ nsụ ajụjụ ọnụ maka etu ha siri hụ ọnọdụ nwata a n'ezinaụlọ ya nakwa n'ụlọakwụkwọ ya. Ajụjụ ọnụ nke ahazịrị n'usoro bụ nke e jiri mee nchọcha a. Ebe a

nọrọ mee nchọcha a bụ n'Elugwu-Ezike nke dị n'okpuru ọchịchị Igbo Eze Nọọtụ nke Steeti Enugwu. Njiatụle e nwetara maka nchọcha a bụ nke e jiri usoro nkọwa nyocha a.

**4.1 Nhazi na nnyọcha ihe a chọpụtara.**

N'ebe a, a hazịrị ihe a chọpụtara na nchọcha a site n'ịgbado ụkwụ n'ekwuru n'ọnụ otu onye nwere okwu mbibi ịsụ nsụ. A ga-ebu ụzọ depụta mkparịta ụka dị n'etiti onye nchọcha a na onye na-asụ nsụ e jiri mee nchọcha. Onye a na-asụ nsụ e jiri mee nchọcha a bụ onye e nyere aha "B"ebe onye nchọcha ka e nyere aha "A" n'ihi na a achọghị ka e depụta ezigbo aha onye a na-asụ nsụ n'akwụkwọ iji kwanyere ya ugwu. Ọrịa ịsụ nsụ bụ nke na-apụta site mmebi mpaghara uburu aka ekpe. Ndị dibia bekee na ndị ọkammụta n'asụsụnụbrụ na-arụkọ ọrụ iji hụ na e nwetara ụzọ aga-esi gbochie maọbụ belata ọria mmebi asụsụ. E jiri ajụjụ ọnụ a haziri ahazi were nweta njiatule maka otu onye na-asụ nsụ n'ụlọ akwụkwọ Sekọndịrị dị n'Okpo Elugwu-Ezike. Mbunuche ajụjụ ọnụ a bụ inweta etu nwata a sị asụ asụsụ na nsogbu ọ na-enwe n'ikwupụta ihe ha chọrọ ikwu.

**4.1.1 Nnyoha ajụjụ ọnụ nwata akwụkwọ nke a e jiri akara "B" nochịe ebe e ji "A" nochie anya onye njụ ajụjụ**

A: Gịnị bụ aha gi ?
B: Aha m bụ SSS ...... SSUU..... Sussana.
N'azịza nwata akwụkwọ a, a chọpụtara na o nwere nkwugharị na mkpụrụụda malitere aha ya "SSS... SSUU..." Ihe ọzọ pụtara ihe n'okwu ya bụ na ọ nwere mkpọbi okwu. N'agbanyeghi na mkpọbi okwu ya dị obere, ọ pụtara ihe nke ọma nke ndị mmadụ ga-amata.

A: Na klaasị nke ole ka ị nọ ?

B: A na m agụ klaasị fffff.... IIvvve (five) N'ebe a ọ were ogologo oge ịkpọpụta ụda nke mbụ bidoro klaasị ọ chọrọ ikwu (ffff); mkpọbi okwu (...) na ogologo oge ịkpọpụta udaume "IIvvve"

A: Ụmụnne gị nwoke na ndị nwaanyi ha dị ole?

B: E nwere ụmụnne nwoke abụọ na ụmụ nwaanyi. N'ebe a, e nwere ndapụ okwu " abụọ" n'aziza a n'ebe ọnụ ọgụ ụmụnne ya nwaanyị nọ.

A: Kedu onye bụ ezigbo enyị gị? Gịnị kpatara i jiri hụ ya n'anya?

B. Ezigbo enyi m bụ Ngọzị. Ọ na-eleta m anya nke ọma. Ọ bụ nke a mere m ji LLLiiiiKi ya.

N'ebe a, o were ogologo oge iji kpọpụta ụdaume arọ "iiii" na "LLLiiiiki"

A. Kedu onye nkuzi i hukarịrị n'anya?

B. Jọọ...hhhnn... ọ na-akụzi III.... gb gb oo (Igbo).

Ụzọ ihe atọ pụtara ihe n'azịza nwata akwụkwọ a ebe a. Nke mbụ, ọ were ya ogologo oge ikpọpụta ụdaume arọ (ooo na hh nakwa oo). Nke abụọ e nwere mkpobi okwu (...). Nke atọ, o were ya ogologo oge ịkpọpụta mgbochiume:hh.

### 4.1.2 Nnyocha Ajụjụ Ọnụ Nne Nwata Na-asụ Nsụ

N'ebe a, e jiri "A" nochie anya onye nchọcha a ebe e jiri "N" nochie anya nne nwata akwụkwọ e jiri mee nchọcha a.

A: E nwere nsogbu na mmetụta onye na-asụ nsụ n'ebe usoro ime ya dị?

N : Ee. Oge ụfọdụ ọ naghị e sonye n'ime ihe ụfọdụ n'ihi okwu mmebi ya dịka ikpe ekpere n'abalị. Aziza nne nwa n'ebe a gosiri na ịsụ nsụ bụ ọgbatauhie nwata a na-enwe n'usoro ime ihe na ndụ ya. Ebimndụ ya adịghị ka nke ụmụaka ndị ọzọ na-enweghi ụdị nsogbu a.

A : O nwere mmasị n'ebe agụmakwụkwọ ya dị?

N : O nwere mmasị n'ebe agụmakwụkwọ ya dị mana ọ naghị eme nke ọma n'asụsụ bekee dịka ụmụ ndị ọzọ na-enweghi ụdịrị nsogbu a.

A : O nwere udịrị nri ọ na-erin'ihi na ọ na-asụ nsụ?

N : Mba. O nweghi ụdị nri dibia bekee kwuru na ọ ga na-eri maka nsogbu ya. Ọ na-eri nri niile dịka ụmụaka ndị na-enweghi ụdịrị nsogbu ịsụ nsụ.

A : O nwere ọgwụ ị na-enye ya maka ịsụ nsụ ya a?

N : Mba. O nweghi ọgwụ dibia bekee sịrị ka a na-enye ya maka nsogbu ya maka na dibia bekee kwuru sị na ọ bụghị ọrịa kama na ọ bụ mmebi okwu (disorder).

A : O nwere onye ọzọ n'ezinaụlọ unu nwere ụdị nsogbu a?

Ee. Nna ya na ụmụnne ya abụọ ndị ọzọ nwere ụdị nsogbu a. Ọ bụ nsogbu ebumpụta ụwa nke o nwetara site n'ahụ nna ya.

A: Kedu mgbe ị gara mee nchọpụta na o nwere nsogbu a?

N : O nwere nsogbu a site mgbe a mụrụ ya.

A : O nwere oge na-eji asụkarị nsụ a?

N : Ee. Ọ na-asụkarị nsụ a mgbe a kpasụrụ ya iwe, mgbe ọ na-agwa ndị ọ maghị okwu maọbụ mgbe o nwere mmetụta nke uche (emotional) ma ọ bụkwanụ mgbe ọ na nchegbu (ume mmapụ).

A : O nweela mgbe o nyere mkpesa banyere mmeso ọjọọ ụmụaka ibe ya, ụmụnne ya maọbụ ndị enyi n'ebe ọ nọ maka ịsụ nsụ ya?

N: Ee. Ụfọdụ na-emere ya ebere maka okwu mmebi ya ebe ụfọdụ na-eji ya e mere ihe ọchị ma ọ bụ akaje. Nke a na-ewuta ya nke ukwuu.

**4.1.3 Nnyocha ajụjụ ọnụ onye nkuzi nwata na-asụ nsụ**

N'ebe a, e jiri "ON" nochie a aha onye nkuzi nwata a na-asụ nsụ agbara ajụjụ ọnụ ebe e jiri "A" nọchie anya onye nchọcha a.

A: Ọ bụ ezigbo nwata akwụkwọ?

ON : Ọ bụ ezigbo nwata akwụkwọ mana ọ maghi akwụkwọ nke ukwuu. Ọ bụ nwata nọ n'etiti n'ebe ihe amụmamụ nọ

A : O nwere ka o si achọ enyemeaka dị iche iche karịa ụmụakwụkwọ ndị ọọ?

ON: Ọ na-aghọta ihe dị ka ụmụaka ndị ọzọ mana oge ụfọdụ ọ chọrọ enyemaka pụrụ iche n'aka onye nkuzi ya.

A : O nwere ka o si agwakọta mkpụrụokwu ọnụ mgbe ọ na-ekwu okwu?

ON : o nwere ka o si agwakọta okwu ọnụ n'ihi nsogbu mmebi okwu ya. Nke a gosiri na ọ na-enwe nsogbu ịgwakọta okwu ọnụ mgbe ọ chọrọ ikwu ihe o bu n'uche ikwu nke ọma. Ngwakọta okwu ọnụ a na-eme ihe ọ na-ekwu ghara ido mmadụ anya. Ọ na-asụkarị nsụ a mgbe e nyere ya ihe ederede ka ọ gụọ.

A: Kedu ka mmekọrịta ya na ụmụaka ndị ọzọ si adị?

ON: Mmekọrịta ya na ụmụaka ndị ọzọ dị mma ma n'oge ụfọdụ o nwere ụmụaka ndị ụfọdụ na-eji ya eme ihe ọchị mgbe ọ malitere ịsụ nsụ ebe ụfọdụ na-emere ya ebere maka nsogbu ya n'ikwu okwu.

**4.2 Mmetụta nkwurịta okwu onye na-asụ nsụ n'ebe mmekọrịta mmadụ na ibe ya nọ**

Nchọpụta nchọcha a gosiri na ọtụtụ ụmụaka ndị anaghị asụ nsụ na aka enwe mmasị ha na nwa bebi (puppet) ị dị na-eme mkparịtaụka karịa onye na-asụ nsụ. Ihe nke a pụtara bụ na ụmụaka na-ahụta onye na-asụ nsụ n'ụzọ na-adịghị mma. Nchọpụta nchọcha a gosikwara na ndị na-asụ nsụ na-enwe

mmeghachi omume n'ụzọ na-adịghị mma n'ebe ndị ọgbọ ha nọ ndị na-anaghị e nwere ha ndidi, na-akpari ha maọbụ na-eji ha eme ihe ọchị maka okwu ha. Ịsụ nsụ na-ebute mmetụta uche na-adịghị mma. Ọ na-eme ka onye na-asụ nsụ ghara inwe mmasị n'ịnọ n'ebe a na-ekwurita okwu ka ọ ghara iwebata mkpọbi okwu ma ọ bụ ịkwughari mkpụrụụda mbido okwu ugboro ugboro. Ụdị ihe a na-eme onye na-asụ nsụ ihere n'ihu ọhaneze

**4.3 Nchọpụta Nchọcha**

Nchọpụta nchọcha a gosiri na ụfọdụ ndị na-asụ nsụ bụ nke sitere n'ebumpụta ụwa. Nke a putara na ụfọdụ ndị na-asụ na-estiekarị na mmebi akụkụ ụbụru aka ekpe mmadụ mgbe amurụ ya. O nwekwara ike isite n'ọrịa dakwasrs mmadụ site n'ihe mberede nke metụtara ụbụrụ na-ahụ maka ikwu okwu. Njirimara ndị na-asụ nsụ bụ na okwu ha jupụara n'okwu nkwugharị, ha na-ekwugharị okwu ugboro ugboro dịka mgbe onye ahụ chọrọ ịkọpụta aha ya dịka SSS.....SUU.....Sussana dịka anyị hụrụ n'azịza onye nke mbụ. Nkwugharị okwu ndị a na-abụkarị na mkpụrụụda eji bido okwu. Nchọpụta nchọcha a gosikwara na onye na-asụ nsụ na-enwe mkpọpụta okwu dị ogologo oge. Na mbido na ngwụcha mkpọpụta okwu dịka 'ffff' dị na "five" enwere mkpọpụta okwu weere ogologo oge. Ọzọkwa, a na-enwe mkpọbi okwu n'ebe onye na-asụ nsụ nọ dịka "....". Mkpọbi okwu ndị a na-eme ka onye na-ekwu okwu ghara ikwupụta ihe ọ chọrọ ikwu nke ọma. N'ikpeazụ, nchọpụta nchọcha a gosiri na ndị na-asụ nsụ na-enwe akpọm oke n'ebe ndị na anaghi asị asụ nsụ nọ. Oge ụfọdụ ndị anaghị asụ nsụ na-emere ndị na-asụ nsụ ebere ebe ụfọdụ na-eji ha na-eme ihe ịkpa ọchị, Nke a na-ewute ndị na-asụ nsụ nke na-eme ka ụfọdụ n'ime ha ghara ịdị na-enwe mmekọrịta n'ebe ndị na-anaghị asụ nsụ nọ.

**4.4 Mmechi**

Nchọcha a nyochara nsogbu ịsụ nsụ na nkwurita okwu onye nwere nsogbu ịsụ nsụ na ndị na-ekwu okwu nke ọma. Mbunuche nchọcha a bụ ileba anya na mmetụta ịsụ nsụ n'ebe ikwu okwu na ọmụmụ ihe nọ. Nchọpụta nchọcha a gosiri na ebe ndị na-asụ nsụ na-enwekarị nsogbu n'ikwu okwu bụ ikwugharị mkpụrụokwu ugboro ugboro, ikwugharị mkpụrụụda malitere mkpụrụokwu, ichefu okwu ụfọdụ dị n'ahịrịokwu, mkpọbi okwu, ikwu okwu ogologo oge ọ kachasị ụdaume. A hụtara na nchọcha a na ịsụ nsụ na-ebute ekwudoghị okwu nke ọma. Nchọcha a gosikwara na ịsụ nsụ na-eweta ịkpa oke n'etiti ndị na-asụ nsụ na ndị na anaghị asụ nsụ. Oge ụfọdụ, ụmụaka na anaghị asụ nsụ na-eji okwu ndị na-asụ nsụ eme ihe ọchị. Nke a na-eme ndị na-asụ nsụ ihere ma na-emekwa ka ha ghara ikwu okwu mgbe ha na ndị ọzọ nọkọtara ọnụ

**Nrụtụaka**

Agbedo, C.U.and Uchendu, A.G. (2010). Psycholinguistics Analysis of Language Disorders: A Case Study of Selected Aphasia. *Journal of Igbo Language and Linguistics. (JILL),* 1(2), 31-39.

Ezeudo, C. (2019). *Psycholinguistic Study of Stuttering in Anambra State*. A Ph.D Seminar, Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka.

Howell, p: and Au-yeung, J. (2002). The EXPLAN Theory of Fluency Control Applied to the Diagnosis of Stuttering Clinical Linguistics: Theory and Applications. In *Speech Psychology and Theraphy*.75-94.

Manouilidou, C. (2021). Reading Greek and Compounds in Neglect Dyslex. *JMk Journal,* 2, 21-33.

Mwangi, R.N. (2022). *Stuttering Among Children in Nairobi: A case study of the Linguistic Symptoms and Intervention Strategies.* M.A. Dissertation, Kenyatta University.

Osuji, G. (2023). Psychosocial Effects of Stuttering in Children. *South of Asian Research Journal of Arts, Language and literature* 55, 183-189.

Uchendu, A.G. (2010). *Psycholinguistic Analysis of Language Disorders: A Case Study of Selected Aphasia.* M.A. Dissertation, Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka.